# Agwara Ngwaa Njikọ Asụsụ Igbo

[1]Nweke, N. J. & [2]Mbah, B. M. O.

[1]*Department of Igbo, Peaceland College of Education, Enugu.*
[2]*Department of Linguistics, Igbo and Nigerian Languages,University of Nigeria, Nsukka.*

**Ụmị**

Nchọcha a lebara anya n’agwara ngwaa njikọ asụsụ Igbo. Mbunuche kpọm kwẹm bụ ịtụcha agwara ọpụrụ iche ngwaa njikọ asụsụ Igbo, inyocha akparamagwa na ọrụ ha n’ụtọ asụsụ Igbo. Nchọchaa ji ntụcha nkọwasị njatụle mee nchọpụta. Nchọcha a gbadoro ụkwu na arụmụka nke Nwachukwu banyere ngwaa emereme ndị n’asụsụ Igbo. A chọpụtara na e nwere ngwaa njikọ izugbe atọ n’asụsụ Igbo; ‘dị’, ‘bụ’, ‘nọ’ na ngwaa emereme ndị na-enwogharịpụta, na-akpa agwa ka ngwaa njikọ n’asụsụ Igbo. Ha bụ isi ngwaa ndị a: ‘ma’, ‘to’, ‘za’, ‘bu’, ‘cha’, ‘ kọ’ d.g. Ngwaa ndị a na-achọ mmeju iji zipụta ahịrị okwu dizịri adịzi. Nchọcha a chọpụtara na ngwaa njikọ Igbo niile bụ ngwaa ndịnọnọdụ n’ihi na ha na-egosi ọdịdị, akparamagwa ma ọ bụ ọnọdụ ihe. Ngwaa njikọ asụsụ Igbo na-ejikọ isi ahịrị na agwara mejupụtara ha. Ha anaghị ebufe ntaramahụhụ nye mkpọ aha na-eso ha. Ọ bụ agwara a mere ha jiri dị iche na ngwaa mme.

## 1. Mkpọlite

Ngwaa bụ isi sekpụ ntị nye ihe niile e mere ma ọ bụ nke a na-eme n’ahịrị okwu. Ọ bụ otu n’ime nke ji asụsụ pụtara ihe ma gbaa ọkpụrụkpụ n’asụsụ mba ụwa dum. Ọ bụ nke ji asụsụ na-egosipụta ụdị emereme e nwere n’ahịrị okwu. Ngwaa dị mkpa n’asụsụ Igbo; ọ bụ ya mere e ji akpọ Igbo asụsụ ngwaa. Igbo bụ asụsụ ngwaa n’ihi na ngwaa nọ n’isi njirimebe ya bụ asụsụ. E nwere ike si na ngwaa mepụta okwu dịnyere na nkeji asụsụ ndị ọzọ mana enweghi nkeji asụsụ e si na ya emepụta ngwaa. Ngwaa bụ mkpụrụ okwu na-enye ahịrị okwu nghọta zuru oke. Ngwaa nwere ngalaba dị iche iche nke gụnyere isi ngwaa, nnyemaka ngwaa, nganihu ngwaa, nganazụ ngwaa, ngwaa njikọ, ngwaa nso nso, d.g. N’ịga n’ihu, ngwaa njikọ dị ka otu n’ime ngalaba ngwaa bụ isi a hụrụ kwaba okpu n’ime nchọcha a. Ọmalitere na ngwaa Latin bụ *copulare*, nke pụtara ijikọta ihe (Uchechukwu, 2011). Ọ bụ n’ihi na ọ na-e jikọ isi ahịrị okwu na agwara mejupụtara ya n’ụtọ asụsụ mere e ji akpọ ya ngwaa njikọ. Ngwaa njikọ bụ ngwaa na-akọwa ka ihe dị karịa ibufe emereme ngwaa nye mkpọ aha na-eso ya.

N’agbanyeghi mbọ dị iche iche ndị ode gbarala, banyere ngwaa asụsụ Igbo, a ka na-enwe arụ mụka na-aga n’ihu gbasara ya. A na-arụ ụka ma a ga-agbaso usoro Bekee n’ikewa ngwaa Igbo ụzọ abụọ, ya bụ, ngwaa nnwe nnara na ngwaa enwe nnara. Ndị otu izizi, nke gụnyere Emenanjo (1985, 2005, 2015) kwenyesiri ike na ngwaa nnwe nnara adabaghị adaba n’asụsụ Igbo. Ha na-arụ ụka na e nwere ngwaa ndị nwere ike iwube ahịrị okwu n’enweghi nnara na-eso ha. Ọzọ bụ na e nweghi ike ịtụcha ngwaa nnwe nnara na ndokọ omimi. Ndị otu nke abụọ, nke Nwachukwu (1983, 1987) nọ n’isi ya, na-akọwa na tupu e kewaa ngwaa, e kwesiri iburu ụzọ chọpụta ọrụ mkpọ aha na-eso ya na-arụ na ya bụ ukwu ngwaa. Ha na-atụ atụmatụ na ọ bụrụ na mkpọ aha na-eso ngwaa na-arụ ọrụ imeju echiche ya bụ ngwaa, a mara na ọ bụ mmeju. Nke a pụtara na mmeju abụghị nnara. Ndị otu nke atọ, nke Mbah (2014, 2024) nọ n’isi ya na-arụ ụka na ọ bụghị mgbe niile ka e ji mwube ekwumekwu, nke a kpọpụtara n’ahịrị okwu eme mkpebi dị ka Emenanjo (2015) na ndị otu ya si eme. Ọ na-akọwa na ọ bụghị mgbe niile ka mbufenye ngwaa na-emetụ mkpọ aha. Ọzọ bụ na ọ baghị uru ileba anya n’ọdịdị ngwaa, ma ọ bụ ọdịdị mkpọ aha na-eso ya, iji kpebie ma mkpọ aha ahụ abụ mmeju ka ọ bụ

nnara. Ọ na-arụ ụka na ihe a na-amụbụ usoro okwu; ọ bụghị echiche okwu. N'amụmamụ usoro okwu, ihe dị mkpa ịtụle bụ iwu na usoro ndokọ okwu; ọ bụghị nke echiche mkpụrụ okwu ma ọ bụ ahịrị okwu mejupụtara ha.

Mbunuche nchọcha a abụghị iweta ọnọdụ ndị kwe na ndị ekweghị banyere ngwaa n'isi njedebe kama mbunuche kpọm kwẹm nchọcha a bụịtụcha agwara ngwaa njikọ asụsụ Igbo.

Nchọcha a nwere nkeji ise. Nke mbụ bụ mkpọlite, nke abụọ lebara anya na ntụleghari agụmagụ, nke atọ bụ maka nsekasi njatụle. Nke anọ nyochara akparamagwa na ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụụ Igbo ebe nke ikpeazụ bụ nchịkọta na mmechi.

## 2. Ntụleghari agụmagụ

E nweela ụfọdụ nchọcha e mere metụtara isiokwu nchọcha a. Nkeji a lebara anya n'ụfọdụ n'ime ha.

Nwachukwu (1984) mere nchọcha na ngwaa emereme ndị n'asụsụ Igbo. Nchọcha ya chọpụtara na e nwere ngwaa atọ na-arụ ọrụ ngwaa njikọ n'asụsụ Igbo; 'bụ', 'dị' na 'nọ'. O kwuru na ngwaa 'BE' na Bekee bụ ezigbo ihe atụ ngwaa emereme ndị. Nke a na-akọwa na ngwaa emereme ndị na-enwogharịpụta echiche ngwaa njikọ 'BE' nke Bekee. Ọ bụ agwara a mere ụfọdụ n'ime ha ji arụ ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo. Nchọcha ya na nke a yiri n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ngwaa asụsụ Igbo. Ndịmiche nchọcha abụọ a bụ na nke ya nyochara ngwaa emereme ndịn'asụsụ Igbo ebe nke a gbadoro ụkwụ n'agwara ngwaa njikọ asụsụ Igbo.

Uchechukwu (2011) tụchara mgbanwe usoro ndokọ okwu ngwaa njikọ asụsụ Igbo na nke Spaniish. Nchọcha ya nyochara myiri na ndịmiche ngwaa njikọ asụsụ Igbo na nke Spaniish. Ọ chọpụtara ngwaa njikọ atọ n'asụsụ Igbo; 'bụ', 'dị' na 'nọ' ma chọpụta ngwaa abụọ na-arụkarị ọrụ ngwaa njikọ n'asụsụ Spaniish bụ 'ser' na 'estar'. Ngwaa njikọ 'ser' ka ọ kọwara bụ ezigbo ngwaa njikọ nke Spaniish ma bụrụ myiri ngwaa njikọ nke Bekee. Etu o sila dị, nchọcha Uchechukwu (2011) na nke a yiri n'otu ụzọ n'ihi na ha abụọ na-akọwa ngwaa njikọ. Ndịmiche ha abụọ bụ na nchọcha Uchechukwu gbadoro ụkwụ na ngwaa njikọ asụsụ Igbo na nke Spaniish ebe nke a gbadoro ụkwụ naanị na ngwaa njikọ asụsụ Igbo.

Ezema na Mbah (2012) nyochara ngwaa njikọ asụsụ Igbo site n'iji akara mgbagha nọchie ọnọdụ ha n'usoro okwu Igbo. Ka o sila dị, ebumnobi nchọcha ha bụ izipụta ngwaa njikọ asụsụ Igbo n'ụdị akara mgbagha n'usoro okwu Igbo. Ha gbasoro usoro nkọwa sị njatụle n'ọrụ ha. Njatụle ha ji rụọ ọrụ bụ nke ha tụpụtara n'ọgụgụ isi ha n'ihi na ha bụ ndị Igbo ma mara ka e si asụ ma na-ede Igbo. Ha gbadoro ụkwụ na ngwaa njikọ Igbo atọ; 'bụ', 'nọ' na 'dị' n'ọrụ nchọcha ha. Ezema na Mbah (2012) chọpụtara na e nwere ike iji akara mgbagha okwu nọchie anya ngwaa njikọ Igbo na-enweghi mgbanwe echiche usoro okwu ha. Myiri nchọcha abụọ a bụ na ha abụọ gbadoro ụkwụ na ngwaa njikọ ma gbasoo otu ụdị usoro nkọwasị ntụcha njatụle. Nchọcha ha gosipụtara ụzọ/etu e si edochi ngwaa njikọ site n'akara mgbagha okwu n'usoro okwu Igbo, ebe nke e ji n'aka lebara anya kpọm kwẹm n'agwara ngwaa njikọ asụsụ Igbo.

Chukwu (2014) mere nchọcha na ngwaa njikọ ụfọdụ maka ezigbo odide asụsụ Bekee. Ọ tụlere ngwaa njikọ na ngwaa ndị ọzọ nwere ike ịrụ ọrụ ngwaa njikọ n'asụsụ Bekee. Ebumnuche nchọcha ya bụ ịchọpụta ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Bekee na etu e si etinye ha n'ederede. Ọ chọpụtara ụdị ngwaa njikọ abụọ n'asụsụ Bekee; ngwaa njikọ 'BE' na ngwaa ndị metụtara akụkụ ahụ ise e ji achọpụta ọdịdị ihe. Ọ gbasoro usoro nkọwasị njatụle na nchọpụta ya. Nchọcha Chukwu (2014) na nke a yiri n'ihi na ha abụọ gbadoro ụkwụ na ngwaa njikọ. Nchọcha ya na nke a gbasoo usoro nkọwasị njatụle. Ndịmiche ha nwere bụ na ọ tụlere ngwaa

njikọ ụfọdụ maka ezigbo odide asụsụ Bekee mana nke a nyochara agwara ngwaa njikọ asụsụ Igbo.

Uchechukwu (2015) n'akụkụ nke ya mere nchọcha na ngwaa njikọ asụsụ Igbo, nke kachasị pụta ihe n'usoro okwu Igbo. Nchọcha ya gbara mbọ ịchọpụta ndịmiche n'ihe ndị odee deerela banyere ngwaa njikọ asụsụ Igbo. Ọ gbasoro usoro nkọwa zipụta nchọpụta ya ma were atụtụ nzika mkpụrụ okwu rụọ ọrụ. Nchọcha ya zipụtara na e nwere naanị ngwaa njikọ asụsụ Igbo atọ; 'dị', 'bụ' na 'nọ'. Ọ gara n'ihu kewaa ngwaa ndị a site n'echiche ha n'usoro okwu Igbo. Nchọpụta ya gosiri na ngwaa 'bụ' kachasị ewe ọnọdụ n'ahịrị okwu Igbo, dị ka ngwaa njikọ. Nchọcha ya na nke a, ọchọcha ji n'aka, yiri maka na ha abụọ nwere mmetụta n'isi okwu. Isi okwu ha abụọ na-ekwu maka ngwaa njikọ. Ọzọ bụ na nchọcha abụọ a gbasoro usoro nkọwasị ntụcha njatụle. Ebumnobi nchọcha ya na nke a abụghị otu. Nchọcha ya nyochara kpọm kwem ngwaa njikọ atọ a ma ama n'usoro okwu Igbo ịmata nke kachasị ewe ọnọdụ n'asụsụ Igbo ebe nke a gbatịrị aka chọpụta ngwaa ndị ọzọ nwere ike ịrụ ọrụ ngwaa njikọ n'asụsụ Igbo.

## 3. Nsekasị njatụle

Ebumnobi nchọcha a bụ ịtụcha agwara ngwaa njikọ na ịnyocha akparamagwa na ọrụ ha n'ụtọ asụsụ Igbo.

### 3.1 Ngwaa njikọ asụsụ Igbo

N'ụtọ asụsụ Igbo, e nwere ngwaa njikọ izugbe atọ. Ha bụ ngwaa ndị a: 'bụ''dị' na 'nọ'. Nwachukwu (1984), Uchechukwu (2011, 2015) na ndị ọzọ sịrị na ọ bụ ngwaa ndị a na-arụkarị ọrụ ngwaa njikọ n'asụsụ. Etu o sila dị, e nwere imirikiti ngwaa Igbo na-arụ ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo n'ihi na ha na-enwogharịpụta onwe ha n'ụzọ dị iche iche, na-akpa agwa ka ngwaa njikọ n'asụsụ Igbo. Ha bụ isi ngwaa ndị a: 'ma', 'to', 'za', 'bu', 'cha', ' kọ' d.g. Ngwaa njikọ bụ ngwaa na-ejikọ isi ahịrị na mmeju ya n'ahịrị okwu (Ume, Ugoji & Dike 2015). Ụdị ngwaa a anaghị ebu oke echiche emereme ngwaa; ha na-abụkarị ngwaa ndị na-enye aka izipụta echiche ma ọ bụ nkọwa banyere isi ahịrị site n'ijikọ isi ahịrị na aha nkọwa. Mkpọ aha na-eso ngwaa ndị a anaghị ebu ntaramahụhụ ngwaa ha na-esota. Ọzọ, ha na-arụ ọrụ mmeju ma na-akọwa mkpọ aha dị n'isi ahịrị ha. Nke a kpatara eji enye ha ọnọdụ e nyere nkọwa aha. N'ịga n'ihu, ha anaghị ewekebe mgbakwụnye -rỤ emepụta ndịnazụ; imirikiti oge, -rỤ na-eso isi ngwaa ha na-egosi ọnọdụ ngwaa ndị a. Ọzọ, ha na-eji mgbakwụnye '-bu' emepụta ngosi oge ndịnazụ.

### 3.2 Agwara ọpụrụ iche ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo

**Ngwaa njikọ na mbufenye ntaramahụhụ**

Mkpọ aha na-eso ngwaa ndị a anaghị ebu ntaramahụhụ ngwaa ha na-esote. Ha anaghị enwe onye nnara ahụhụ dị ka ọ dịna ngwaa mme/nrụmọrụ. Ha na-egosi ọdịdị, akparamagwa ma ọ bụ ọnọdụ ihe karịa ibufe ntaramahụhụ nye mkpọ aha na-eso ha, ọmụma atụ:

1. a) Obi bụ agụ.

b) Ọ nọya.
ch) Amaka dịọcha.

d) Ebube mara mma.
e)Akwụkwọ m furu efu.

**Ngwaa njikọ dị ka ọkọwa ndịnisi ahịrị**

Ọ bụ agwara nke a mere nchọcha a jiri kpọọ ha nkọwa isi ahịrị. Ọ bụ ọrụ ngwaa njikọ, nke a kpatara e ji enye ha ọnọdụ enyere nkọwa aha. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị a kara ihe n'okpuru n'atụ ndị a:

2. a) Adaugo dị *mma.*

b) Ụkwụ ya zara *aza.*

ch) Ọ bụ *Onyekwere.*

d) Mmiri juru *eju.*

e) Ebere toro *ogo.*

**Ngwaa njikọ na mgbakwụnye -rỤ**

Imirikiti oge, -rỤ na-eso isi ngwaa ha na-egosi ọnọdụ ngwaa ndị a. Ha anaghị egosi agba oge, mgbe e mere emereme ngwaa, ihe atụ,

3. a) Uwe Emeka ruru unyi.

b) Ngọzi mara mma.

ch) O buru ibu.

d) Ofe ahụ luru ilu.

e) Nne ya dara ogbi.

**Ngwaa njikọ na ngosi oge**

Ha na-ejikarị mgbakwụnye nganihu '-bu'emepụta oge ndịnazụ, dị ka;

4. a) Ọ dịbu ọcha.

b) Ndị eze nọbu ebe a.

ch) Ọ bụbu ezigbo mmadụ.

d) Ọ dịbu mma.

e) Nkịta ahụ nọbu ala.

**Ngwaa njikọ asụsụ Igbo na mbufe emereme ngwaa**

Ngwaa njikọ n'Igbo anaghị eme mkpọ aha na-esote ya n'ihu nnara. Ya bụ, ha abụghị ahịrị okwu mmennara, d.k.

5. a) Ike bụ nwata.

b) Ọ jọrọ njọ.

ch) Ọ dị ndụ.

d) Ike bụ Mbe.

e) Ọ kpọrọ akpọ.

5 (a-e) bu ahịrị okwu ngwaa njikọ. Usoro okwu ha enweghi nnara. Ha nwere naanị mmeju ndị a; 'nwata', 'njọ', 'ndụ', 'mbe', 'akpọ' na-akọwa isi ahịrị karịa iburu emereme ngwaa.

**Ngwaa njikọ dị ka ngwaa mbụrụ**

Ngwaa mbụrụ niile na-enwe ngwaa njikọ. Ngwaa mbụrụ na-egosi ka akparamagwa na ọdịdị ihe si bụrụ otu. Ọzọ, ọ na-ejikọ aha na agwara ya. Ngwaa mbụrụ 'bụ' na-ewere mkpọ aha, n'usoro okwu Igbo, akọwa echiche isi ahịrị. Ọ na-arụ ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo, d.k.

6. a) Ọ bụ mbe.

b) Ada bụ ọkọwa okwu.
ch) Chibuike bụ dike.
d) Ọ bụ mma.
e) Obi bụ nwoke.

**Ọnọdụ ngwaa njikọ**

Ngwaa njikọ Igbo na-adịkarị n'etiti isi ahịrị na mmeju ngwaa. Ọ na-eme nke a site n'ijikọ isi ahịrị okwu na agwara mejupụtara ha. Ọ bụ ya kpatara e ji akpọ ha ngwaa njikọ. Nke a gosiri na aha ha sitere n'ọrụ ha na-arụ n'ụtọ asụsụ. Ka e lekwaa anya n'ihe atụ ndị a:

7.a) Mmanụ ọkụ *kọrọ* ụkọ.

b) Ezi ahụ *ruru* unyi.
ch) Ọ *dị* ụtọ.
d) Ọ *bụ* nwoke.
e) Oko eke *nọ* ya.

Okwu ndị e degọrọ edegọ bụ ngwaa njikọ. Okwu ndị buru ha ụzọ bụ isi ahịrị ebe okwu ndị na-esote ngwaa njikọ ndị a bụ mmeju ha.

**Ngwaa njikọ dị ka ngwaa ndịnọnọdụ**

Ngwaa njikọ Igbo niile bụ ngwaa emereme ndị n'ihi na ha na-ezipụta ọnọdụ, ọdịdị na akparamagwa ihe ma na-enwogharịpụta echiche ngwaa njikọ 'BE' nke Bekee n'ọnọdụ na ụdịdị iche iche. Nkọwa anọ e nwere n'asụsụ Igbo sitere na ngwaa ndị. Ha na-arụ ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo. Ịma atụ:

8. a) Nne m dị ọcha.
b) Ọ dị ojii.
ch) Adaeze dị/jọrọ njọ.
d) Ugochukwu dị/mara mma.

Site n'ahịrị 8, a chọpụtara na ngwaa njikọ Igbo niile bụ ngwaa emereme ndị. Nke a kọwara ihe Nwachukwu (1984) kwuru na otu ngwaa nwere ike ịrụ ọrụ abụọ n'ụtọ asụsụ ya. Ọzọ, e leruo anya n'ahịrị 8ch-d, a ga-achọpụta na a ga-eji ngwaa njikọ izugbe 'dị' nọchie ngwaa ndị ma ọ bụ ngwaa nso na mmeju n'enweghi mgbanwe echiche ahịrị okwu. Ọ bụ agwara ndị a kpatara e ji kpebie na ngwaa njikọ asụsụ Igbo niile bụ ngwaa ndịnọnọdụ.

## 4. Ntụcha akparamgwa na ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo

Ngalaba nke a lebara anya n'akparamagwa na ọrụ ngwaa njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo.

**Agwara ngwaa njikọ 'dị'**

N'ebe a, ngwaa na-egosi ihe na-adịghị ndụ tọgbọrọ otu ebe; ihe ahụ enweghi ike ịpụ n'onwe ya belu sọ ma e wepụrụ ya ewepụ; ọ na-ewere nkeji ma ọ bụ bụ nkebi ahịrị mbu ụzọ, nke na-eme ebe ihe ahụ dị nnara mkpuke, dị ka,

9.a) Ọ dị n'ebe ahụ.

b) Ji dị n'ọba.
ch) Ọ dị n'okpuru oche.
d) Ọ dị n'igbe m.
f) Nsụka dị na steet Enugwu.

Ọzọ, ọ na-ewere mkpọ aha akọwa echiche isi ahịrị okwu n'usoro okwu Igbo, dị ka:

10. a) Nne Ngọzi dị mma.
b) Ọ dị ndụ.

ch) Ọ dị ike.
d) Ofe ahụ dị ụtọ.
e) Ọ dị mkpụmkpụ.

**Ntụcha ngwaa 'dị' n'usoro okwu Igbo**

Tụlee atụ ndị a:

11.a**)** Ọ dị ndụ.

b) Ọ dị njọ.
ch) Ọ dị mma.
d) Ikenna dị oji.
e) Uchechukwu dị ike.

Ahịrị okwu 11a-e nwere nkebi okwu nke mkpọ aha na nkebi okwu nke ngwaa. 'Ọ' atọ dị na 11(a-ch), tinyere Ikenna na Uchechukwu dị na 11(d-e), bụ isi ahịrị nke nkebi okwu nke mkpọ aha. Ebe [dị ndụ, dị njọ, dị mma, dị oji, dị ike] bụ ngwaa ndị na nkeji ngwaa. 'Ndụ', 'njọ', 'mma', 'oji', 'dike' bụ aha nkọwa nhụrụnuche nọ n'ọnọdụ mmeju ma na-akọwa isi ahịrị okwu; ọrụ a gosiri na ngwaa ha bụ nke njikọ.

**Agwara ngwaa njikọ 'bụ'**

Ngwaa njikọ 'bụ' na-ewere mkpọ aha, n'usoro okwu Igbo, akọwa echiche isi ahịrị. E nwere ike ịkpọya ngwaa njirimara ihe, ọmụma atụ,

12. a) Chike bụ nwata akwụkwọ.

b) Ngọzi bụ onye nkụzi.
ch) Ọ bụ Ada.
d) Ọkụkọ bụ anụ ụlọ.
e) Emeka bụ Igwe.

**Ntụcha ngwaa 'bụ' n'usoro okwu Igbo**

Tụlee ahịrị ndị a:

13. a) Ngọzi bụ onye nkụzi.

b) Ekpere bụ nwata.

ch) Ọ bụ ezi.

d) Adaeze bụ mmadụ.
e) Chukwu bụ mmụọ.

Site n'atụ13, ewumewu ngwaa 'bụ' na-ezipụta njirimara ihe dị ka ọ dị n'ahịrị 13a-e. Ha na-eji mkpọ aha akọwa isi ahịrị ma na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya bụ ihe ahụ.

**Agwara ngwaa njikọ 'nọ'**

N'ebe a, ngwaa na-egosi ihe dị ndụ, tụmadị mmadụ, nọ otu ebe; ihe ahụ nwere ike ịpụ n'onwe ya site n'ebe ahụ. Ọ na-ewere isi ahịrị okwu dị ndụ egosi ebe, nke ihe na-adịghị ndụ. N'ọnọdụ dị etu a, ọ na-ewere nkeji ahịrị mbu ụzọ, nke na-egosi nnara mkpuke, dị ka,

14. a) Eze nọ n'ime klaas.
b) Ọ nọ n'ụzọ.
ch) Anyị nọ n'ụlọ ikpe.
d) Ọ nọ n'okpuru oche.
e) Maazị Okonkwọ nọ na Kanụ.

**Ntụcha ngwaa 'nọ' n'usoro okwu Igbo**

Ka a tụlee atụ ndị a:

15.a) Ngozi nọ mma.

b) Obinna nọ ya.
ch) Uchenna nọ n'ezi.
d) Okwunna nọ n'ama egwuregwu.
e) Nnanna nọ n'ime ụlọ.

N'atụ 15, Nkebi okwu nke mkpọ aha bụ: [Ngọzi, Obinna, Uchenna, Okwunna, Nnanna]. 15a-b nwere 'nọ mma' na 'nọ ya' bụ ngwaa ndị na nkeji ngwaa. 'Mma' na 'ya' bụ mkpọ aha na-akọwa isi ahịrị okwu ebe [n'ezi, n'ama egwuregwu, n'ime ụlọ] dị n'ahịrị ch-e bụ nkebi ahịrị mbu ụzọ, nke e ji emeju echiche ngwaa.

16. Amaka mara mma ~ Amaka dị mma.

N'ewumewu nke mbụ, 'Amaka' bụ isi ahịrị okwu ha. 'Mara' bụ ngwaa na-atapị echiche ngwaa njikọ'BE' nke Bekee. 'Mma'bụ ahankọwa na-akọwa 'Amaka'. Ọ na-akọwa etu 'Amaka' dị. A bịa n'ewumewu nke abụọ, e ji ngwaa njikọ izugbe 'dị' dochie anya ngwaa 'mara' na-enweghi mgbanwe echiche usoro okwu ya. Nke a gosiri na ngwaa 'mara' na-arụ ọrụ dị ka ngwaa njikọ n'asụsụ Igbo.

17. Amaka jọrọ njọ ~ Amaka dị njọ.

Na nkeji nke a, ngwaa ha na-akọwa otu ọdịdị ụtọ asụsụ Igbo. E ji ngwaa izugbe 'dị' nọchie anya ngwaa 'jọrọ' na-enweghi mgbanwe echiche ahịrị okwu ya. Ọzọ, -rỤ nganihu a gbakwụnyere isi ngwaa 'jọ' anaghị ezipụta agba oge kama ọ na-ezipụta ọnọdụ isi ahịrị dị na ya mgbe a na-ekwu okwu. Ihe ndị a gosiri na ngwaa 'jọrọ' na-arụ ọrụ dị ka ngwaa njikọ n'asụsụ Igbo. Ebe 'njọ' bụ aha nkọwa na-akọwa 'Amaka' ma na-arụ ọrụ mmeju. Ọ na-akọwa na 'Amaka' jọrọ njọ.

18. O toro ogologo ~ Ọ dị ogologo.

A tụlee nkeji nke a, a ga-ahụ etu ngwaa dị n'ewumewu nke mbụ si were mgbakwụnye -rỤ site n'ọnọdụ ya, iji kọwaa echiche isi ahịrị, ebe ngwaa njikọ 'dị' kwụụrụ onwe ya n'ewumewu nke abụọ na-akọwakwa echiche isi ahịrị. Ngwaa abụọ ndị a; 'toro' na 'dị' na-akọwa otu ọdịdị ụtọ asụsụ Igbo. N'ewumewu nke mbụ, 'ogologo' bụ aha nkọwa na-akọwa 'o'. N'ewumewu nke abụọ, 'ogologo' bụkwa aha nkọwa na-akọwa isi ahịrị 'ọ' ma bụrụ ihu okwu 'mkpụmkpụ'.

19. Oroma ahụ tọrọụtọ. ~ Oroma ahụ dị ụtọ.

Na nkeji nke a, 'oroma ahụ' bụ isi ahịrị okwu ha. Ewumewu nke mbụ nwere 'tọrọ', bụ ngwaa na-enwoghari ma na-atapị echiche ngwaa njikọ 'BE' nke Bekee. Ebe 'ụtọ' bụ aha nkọwa nsina ngwaa na-akọwa 'oroma' ma na-arụ ọrụ mmeju. Ọ na-akọwa na 'oroma ahụ' tọrọụtọ. A bịa n'ewumewu nke abụọ, e ji ngwaa njikọ izugbe 'dị' nọchie anya ngwaa 'jọrọ' na-enweghi mgbanwe echiche ahịrị okwu ya. Nke a gosiri na ngwaa 'jọrọ' na-arụ ọrụ dị ka ngwaa njikọ n'asụsụ Igbo.

20. Ose kọrọ ụkọ. ~ Ose dị ụkọ.

Nkeji nke a nwere ngwaa njikọ 'kọrọ ụkọ' bụ azụ ngwaa 'bara ụba' na 'dị n'uju'. Isi ahịrị okwu dị na nkeji a bụ 'ose'. 'Ụkọ'dị n'ewumewu nke mbụ na nke abụọ bụ aha nkọwa nhụrụnuche na-akọwa 'ose'.

21. Mmanụ ọkụ kọrọ ụkọ. ~ Mmanụ ọkụ dị ụkọ.

N'usoro okwu ndị a, ngwaa dị n'ewumewu nke mbụ na nke abụọ na-agbanwerịta ọnọdụ ha, na-akọwa 'mmanụ ọkụ'. Ha na-arụ ọrụ ngwaa njikọ asụsụ Igbo n'ihi na ha abụọ na-akọwa otu ọdịdị ụtọ asụsụ. Isi ahịrị okwu ewumewu ndị a bụ 'mmanụ ọkụ'. 'Ụkọ' bụ aha nkọwa nhụrụnuche na-akọwa 'mmanụ ọkụ' ma bụrụ mmeju ahịrị okwu.
22.Ọ chara ụcha. ~ Ọ dị ụcha.
E leruo anya nke ọma na nkeji nke a, a chọpụtara na ngwaa'chara' sitere n'aha ya, nke mere mmeju ya 'ụcha' ji bụrụ aha nkọwa nsina ngwaa, na-akọwa 'ọ'. A na-eji ngwaa 'dị' anọchi anya ngwaa 'chara' n'usoro okwu Igbo na-agbanweghi mgbanwe echiche ahịrị okwu ya.
23.Akụ m bara ụba. ~ Akụ m dị ụba.

'Akụ m' bụ nnọchi nke onye. Ọ bụ nkebi okwu nke mkpọ aha na-arụ ọrụ dị ka isi ahịrị. Site n'usoro okwu ndị a, a chọpụtara na ngwaa ha bụ ngwaa njikọ n'ihi na ha na-akọwa otu ọdịdị ụtọ asụsụ na-enweghi mgbanwe nghọta usoro okwu ha. Ọzọ, isi ngwaa 'ba', dị n'ewumewu nke mbụ, bụ isi ngwaa a gbakwụnyere -rỤ nke nganihu na-atapị echiche ngwaa njikọ Bekee ma na-enye nghọta 'BE'nke Bekee. Na nkeji a, 'ụba' nọ n'ọnọdụ mmeju mana ọ na-arụ ọrụ dị ka aha nkọwa. Ọ na-akọwa 'akụ m'.

24. Ada ruru inyi. ~ Ada dị inyi/atịtị.

N' ahịrị okwu ndị a, 'Ada' bụ isi ahịrị okwu, isi ngwaa 'ru' dị n'ewumewu nke na-enwogharị ma na-akpa agwa dị ka ngwaa njikọ. A gbakwụnyere ya '-rỤ', nke anaghị egosi oge ndịnazụ; ọ na-ezipụta ọnọdụ isi ahịrị dị na ya mgbe a na-ekwu okwu. N'ewumewu nke abụọ, e nwere ngwaa njikọ 'dị' na-ejikọ 'Ada' na 'inyi'. Ọ bụrụ na a tụchaa mmeju ngwaa usoro okwu ndị a, e nwere [inyi/atịtị]. Ọ bụ aha nhụrụnuche na-akọwa 'Ada'.

25. Ofe onugbu a lulu ilu. ~ Ofe onugbu a dị ilu.

Nkeji nke a nwere ewumewu abụọ. Ewumewu ndị a bụ ewumewu ngwaa njikọ n'ihi na ngwaa ha na-akọwa otu ọdịdị ụtọ asụsụ Igbo. Nkebi okwu nke mkpọ aha 'Ofe onugbu ahụ' bụ isi ahịrị okwu ha. Ebe 'ilu' bụ aha mmeju na-akọwa isi ahịrị okwu.
26. Ọ jụrụ oyi. ~ Ọ dị oyi/ Ọ dịghị ọkụ.
Nkeji nke a nwere ewumewu abụọ. Ewumewu abụọ a bụ nke ngwaa njikọ n'ihi na ha na-akọwa otu ọdịdị ụtọ asụsụ Igbo. Ha bụkwazị ngwaa mgbanwerita ọnọdụ. Ewumewu ndị a nwere aha nkọwa nhụrụnuche 'oyi'. 'Oyi' na-akọwa 'ọ'. Ebe ngwaa njikọ 'jụrụ/dị' na-ejikọ isi ahịrị na agwara mejupụtara ya.

27. Nwaanyị ahụ nwụrụ anwụ. ~ Nwaanyị ahụ dị ndụ.
E nyochaa atụ 27, a ga-achọpụta na ewumewu nke mbụ bụ azụ ewumewu nke abụọ. 'Nwaanyị ahụ' bụ nkebi okwu nke mkpọ aha, nke na-arụ ọrụ dị ka isi ahịrị okwu. Ngwaa 'nwụrụ' dị n'ewumewu nke mbụbụ ngwa na-enwogharịpụta echiche ngwaa njikọ 'BE' na Bekee; nke a pụtara ihe n'ihi na -rỤ ya anaghị egosi oge; ọ na-egosipụta ọnọdụ isi ahịrị nọ, ma na-anọgide na ya. Ngwaa ọnọdụ niile na-enwe ngwaa njikọ. N'aka nke ọzọ, 'dị' bụ ngwaa njikọ izugbe n'ewumewu nke abụọ a. Ewumewu abụọ ndị a nwere aha nkọwa nhụrụnuche ndị a:[ anwụ na ndụ]. Ọ bụ ha na-akọwa isi ahịrị okwu. N'otu aka ahụ, ha na-emeju echiche ngwaa mere ha ji bụrụ mkpọ aha mmeju.

Site na ntụcha e mere n'elu, a na-esi agụgọ ebe a na mgbe ọ bụla, ngwaa Igbo nwere nganihu -rỤ, nke na-anaghị egosi oge, n'imirikiti oge, ngwaa ahụ bụ nke njikọ n'ụtọ asụsụ Igbo. Ọzọ, bụ na ngwaa asụsụ Igbo ọ bụla e ji ngwaa 'dị' nọchie anya ya na-enweghi mgbanwe echiche/ nghọta usoro okwu ahụ, ụdị ngwaa a ga-abụrịrị nke ngwaa njikọ. Ọ bụ ya kpatara ngwaa ndị ahụ ji na-atapị ma na-enwogharịpụta onwe ha n'ụzọ dị iche iche ma na-akọwa otu ọdịdị ụtọ asụsụ.

## 5. Nchịkọta, nchọpụta na mmechi

N'ikpeazụ ndị nchọcha mejupụtara ebumnobi ha inyocha agwara ngwaa njikọ asụsụ Igbo. E mere nke a site n'ịchọpụta ọdịdị, ụdịdị, njirimara na agwara ngwaa njikọ asụsụ Igbo ndị a: ọ na-ejikọ isi ahịrị okwu na agwara ya; a na-enwe mkpọ aha abụọ n'ewumewu ngwaa njikọ Igbo; ọ bụghị ngwaa mbufe ntaramahụhụ ma ọ bụ nke mbufe emereme. Ọzọ, ngwaa njikọ asụsụ Igbo niile na-enwe echiche nghọta okwu nke aka ha tinyere ọrụ dị iche iche nke ọ bụla n'ime ha na-arụ n'ụtọ asụsụ Igbo. Ha na-enwekwa mmeju nsina ngwaa.Ọ bụ eziokwu n'usoro mwube okwu ụtọ asụsụ Igbo na-enwe isi ahịrị, ihe o mere (ngwaa) na ihe budoro ihe ahụ o mere (nnara ma ọ bụ mmeju). Ma na n'usoro mwube okwuụtọ asụsụ nke ngwaa njikọ, ọ bụ isi ahịrị okwu na-ebu echiche usoro okwu, ọ naghị a bụ okwu na-eso ngwaa njikọ. Ọ na-ewere mkpọ aha akọwa isi ahịrị okwu ya. Ọ bụ agwara ndị a mere ọrụ ha jiri dị iche na ngwaa mme.

## Nrụmaka


Chukwu, E. A. (2014). An over view of linking verbs for effective use of English. *Advanced Journal of English and Literary Studies,* 5, 4-10.

Emenanjọ, E. N. (1985). *Auxillaries in Igbo syntax: A comparative study*. Indiana: Indiana University Linguistics Club.

Emenanjọ, E. N. (2005). *Nchịkọta asụsụ na ụtọ asụsụ Igbo izugbe.* Longman: Lagos.

Emenanjọ, E. N. (2015). Towards a classification of Igbo verb. *Journal of Igbo Language Studies,* 1, 1-7.

Ezema, C. A. & Mbah, B. M. (2012). The formalisation of Igbo copula construction using local symbols. *Igbo Scholars, International Journal of Igbo,* 15(2), 43-48.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ.*Nsukka: University of Nigeria Nsukka Press.

Mbah, B.M. (2024).*$I^3$: Iwu ideta Igbo*. Enugu: Excellent Obex Press.

Nwachukwu, P. A. (1983). Towards a classification of Igbo verbs. In Nwachukwu P.A. (Ọhz.), *Readings on the Igbo verb*. Onitsha: Africana-Feb Publishers.

Nwachukwu, P. A. (1984). Stative verbs in Igbo syntax. *Journal of West African Languages,* 2, 81-101.

Nwachukwu, P. A. (1987). *The argument structure of verbs*. Cambridge: MIT.

Uchechukwu, P. A. (2011). *A corpus-based analysis of Igbo and Spanish copula verbs*. Onitsha: Edumail Publication.

Uchechukwu, P. A. (2015). The prototypical Igbo copula verb. *Journal of Igbo Language Studies,* 1, 37-50.

Ume, I. A., Ugoji. J. C., & Dike, G. A.(2015). *Ụmị nkọwa ụtọ asụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas.